# OKWUKWE NKE LỤPỤTARA ỌTỤTỤ IHE
## Mak 5:21-43
### IHE ỌMỤMỤ 80 - Nke NdỊ-okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ma asi na okwukwe adigh ọ bu ihe anāpugh ime, bú ime ihe gātọ Chineke ezi utọ: n'ihi na onye nābiakute Chineke aghagh ikwe na Ọ di, na Ọ nēgosi kwa Onwe-ya Onye nēnyeghachi ndi nāchọ Ya ugwọ-ọlu" (Ndi Hibru 11:6).**

**I Nlaghachi Nke Jisọs**
1. Ọ bụ ọchịchọ ndị ahụ izute Ya, Mak 5:21; Luk 8:40; Jeremaia 29:13
2. Jeairọs wedara onweya n'ala n'iru Kraist, Mak 5:22; Luk 8:41; Matiu 9:18; Abù Ọma 33:8
3. Egosịrị oké ntụkwasịobi n'ebe Jisọs nọ, Mak 5:23; Matiu 8:2, 8-10
4. Jisọs nabatara arịrịọ ahụ nke arịọsịrị Ya ike, Mak 5:24; Matiu 9:19; 8:5-7

**II Adịghị Ike Nke Mmadụ -- Ọgan'iru Nke Ike ahụ Karịrị Ike Mmadụ**
1. Nwanyị ahụ ahụwo ahụhụ ogologo oge, Mak 5:25; Matiu 9:20; Luk 8:43
2. Ọtụtụ ndị dibịa egosịwo na ha apụghị ịgwọ ọrịa ahụ, Mak 5:26
3. Onye ahụ nwere ntụkwasịobi chọtara nnapụta, Mak 5:27-29; Matiu 9:21, 22; Luk 8:44
4. Jisọs matara na nwanyị ahụ ji okwukwe bịa Mak 5:30-32; Matiu 9:22 ; Luk 8:45, 46
5. Ọ natara ụgwọọlụ n'ihi okwukwe ya, Mak 5:33, 34; Luk 8:47, 48; Ndi Hibru 11

**III Ndụ Site N'Okwukwe**
1. Agafere ọtụtụ ihe ná-eme ka obi daa mba, Mak 5:35; Luk 8:49
2. Jisọs na-agbá nna ahụ nwere nwute ume, Mak 5:36; Luk 8:50; Mak 9:23
3. Ná-agbanyeghị ịchị ọchị nke ndị ahụ Jisọs lụkwara ọlụ ebube ọzọ dị ukwuu, Mak 5:37-43; Matiu 9:23-25; Luk 8:51-55

## NKỌWA DỊ ICHE ICHE

**Nnabata Nke Kraist n'Akụkụ Ọdị da-anyanwụ nke Óké Osimiri ahụ**

Lee otú nnabata ahụ nke anabatara Jisọs "n'ofè ọzọ" si dị iche n'ebe ekele ikpèazụ enyere Ya na Gerasa dị! O mewo ka arụ̀ dị nwoke ahụ ike bụ́ onye a na-atụ̀ óké egwù na Gerasa, nwoke nke mewororị ka óké egwù tụọ ndị mmadụ ogologo oge, ma otú ọ dị ha jụrụ Jisọs wee gwa Ya ka Ọ pụọ n'ebe ha nọ n'ihi na ha hụrụ ihe onwunwe nke ụwa a n'anya karị ngọzi nke ime mmụọ nke Ọ chọrọ inye ha. Ha na-achụso akụ̀ nke ụwa, karị akụ̀ nke Eluigwe.

Ma mgbe Jisọs bịarutere "n'ofe ọzọ nke osimiri" ọtụtụ mmadụ zutere Ya. O mere, dịka Ọ na-eme mgbe dum, ka ndị ná-achọsi Ya ike chọta Ya. Obi Ya na-agakarị n'ebe ndị nọ n'ahụhụ nọ, karịsịa n'ebe ndị ahụ legideworo Ya anya maka inyere ha aka nọ. Onye ọ bụla nke bịakutere Ya nwetara mmetụ aka nke ọgwụgwọ site n'ibikwasị ha aka nke dị nsọ. Ndị ahụ niile nke bịara ná-ekwupụta mmehie ha nwetara mmetụta nke amara mgbaghara ahụ nke Ọ bụ náánị Ya pụrụ inye.

Otù nime ndị bịakutere Ya mgbe O rutere bụ Jearịọs onyeisi nke ụlọ nzukọ, Onye rịọrọ Jisọs ka Ọ bịa mee ka arụ̀ nwa ya nwanyị dị ike. Jeairọs matara ikike nke enyere Ọkpara Chineke wee nye Ya nsọpụrụ nke kwesịrị Ya n'oge ọ na-eme ka Ọ mara arịrịọ ya. Ọnọdụ ya dịka onyeisi nke ụlọ nzukọ, mere ka ọ bụrụ onye dị mkpà nke ukwuu ná mmekọrịrta nke ndị bi n'obodo, ma o mere omume nke iweda onweya n'ala nke gosịrị nghọta ya na Kraist kachasị ihe niile dị n'ụwa ukwuu. Ọ dara n'ụkwụ Jisọs ikwupụta arịrịọ ya sie ike, site n'ime otú ahụ na-egosi omume nke ifè òfùfè. Jisọs abaraghị Jeariọs mbá na ọ kpọrọ isiala, kama Ọ nabatara ya, n'ihi na ọ dị mkpà na ọ ghaghị ịmata na Jisọs bụ Ọkpara Chineke, Kraist ahụ nke gaje ịbịa. Ndị ná-ekweghị ekwe, ma ọ bụ ndị ahụ nke ná-agọnarị ike nke Kraist, adịghị anata ngọzi n'aka Chineke.

**Jeairọs na Okwukwe Ya nime Kraist**

Jeariọs bịara n'okwukwe ahụ ma n'ihi okwukwe ahụ emere ka arụ̀ nwa ya nwanyị dị ike. Árụgidere ya ka o gosipụta okwukwe ya mgbe ọ rịọrọ Jisọs arịrịọ ya na mbụ, ma n'ikpèazụ̀ mgbe ozi bịara na nwa ya nwanyị anwụworị o wee "guzo duu" n'okwukwe ahụ. Okwukwe mbụ nke o gosipụtara bụ nke a na-ahụ̀ anya, bụ́ arịrịọ maka ebere na ike nke ọgwụgwọ nke Onye ahụ Etere Mmanụ. Nke abụọ bụ nnọọ nke ime mmụọ, n'ihi na tupu ọ na-enwe ohere ikwu okwu ọ bụla, okwu agbamume bịara, "Atula egwù, kwere nání." Lee otú okwukwe ahụ dị ndụ nke ná-asụpụta ka isiiyi nke dị nime mkpụrụobi ya ga-esiworị ná-amali elu n'okwu nke nkasiobi ahụ! Ọbụná ma asị na ebe niile gbara ọchịchịrị, ọbụná ma asị na olileanya agwụsiwo dịka mmadụ si ahụ́ ihe, ọbụná ma asị na ewepụwo ikuume ndụ n'onweya, iwu ahụ dị kwa otú ọ dị, "Atula egwù, kwere nání."

Okwukwe nwere ụgwọọlụ dị iche iche. Nwa-agbọghọ ntà ahụ ñara ntị n’okwu nke Onye ahụ nwee ndụ na ọnwụ. Ndụ wee bịaghachi kwa nime arụ̀ ahụ nke jụworọrị oyi, o wee jègharịa kwa. Ọ dịwo kwa mma, bụrụ kwa nwatakịrị ga na-enye èzinaụlọ ahụ añụrị ọzọ, n’ihi ịma mma nke nwata nke dị nime ya, na kwa olileanya nke ndụ nke dị n’iru ya. Lee ụdị ụgwọọlụ nke dị nye omume ahụ dị mfé nke sitere n’okwukwe nime Onye ahụ bụ́ Onye ọ nadịbeghị mgbe O nyere mmadụ ihe ha ga-eji nwee obiabụọ banyere ịhụn’anya Ya, obi ebere, na ike Ya!

**Nwanyị Ahụ Onye Metụrụ Uwe Kraist Aka**

Otú ọ dị, ọ bụghị mmadụ niile nke nọ n’ebe ahụ n’ụbọchị ahụ nwere ụdị ohere ahụ nke ịda n’ala n’ụkwụ Jisọs ịrịọ Ya arịrịọ maka inyeaka ma ọ bụ ịgwa Ya okwu iru na iru dịka Jeairọs nwere ohere ime. Akwụkwọ Nsọ na-agwa anyị na ọtụtụ igwè mmadụ sooro Jisọs mgbe Ọ rapụrụ ụsọ óké osimiri ahụ na-eje n’ụlọ Jeariọs, ma nime igwè mmadụ ahụ, ọ dị kwa otù nwanyị nke chọtara inyeaka nke ọ bụ náání Ya pụrụ inye. Ma obi adaghị ya mbà n’ihi na o nweghị ụdị ohere ahụ nke onyeisi nke ụlọ nzukọ ahụ nwere.

Nwanyị a, n’otù aka ahụ, nwekwara okwukwe. Ọ bụrụ na anyị nọ n’ọnọdụ ikwu otú okwukwe onye ọ bụla nime ha nwere ra, anyị pụrụ ikwu na o nwere okwukwe ka ukwuu ka kwa mma, karịa nke onye ọ bụla nọ n’ebe ahụ n’ụbọchị ahụ. N’ihi otú ọnọdụ ya si dị, na óké igwè mmadụ ahụ gbara ya gburugburu, na kwa ọtụtụ ọlụ ọzọ nke dị n’iru nye Ọkpara Chineke, ihe o mere bụ iji ohere ọ bụla nke ruru ya aka mee ihe. Nke a ka o mekwara.

Ọ hụwo ahụhụ ọtụtụ arọ n’aka ọtụtụ ndị dibịa. Ha eweresiwo ego niile nke o nwere ma ugbu a ọ dawo ogbenye ma nọọ kwa n’ọnọdụ kachasị njọ dịka ihe a na-ahụ́ anya si dị. Ọ ga-abụ̀ na o jeworị ebe niile o nwere ike ijé, jekuru kwa mmadụ ọ bụla o nwere ike ijekuru maka inweta ọgwụgwọ, ma ugbu a ihe ọ pụrụ icheta bụ nááni mgbalị ná-edoghị anya nke ha gbalịrị, na ihe ụfụ nke dị nime ọgwụgwọ nke ha gbalịrị ịgwọ ya na ọrịa ya! Ihe niile ndị a nke mere chọrọ ibibi okwukwe ya n’ebe ihe niile ọ bụla na onye ọ bụla nọ. Ọ ga-abụworị onye ná-enweghị olileanya ma nyefee kwa onweya n’obi ịda mbà. Ma ya onweya dịka Jeariọs, jidesiri okwukwe ya nime Chineke ike mgbe o nwetasịrị àkụ̀ ahụ ná-enye ndụ nke dị kwa mkpà.

Ọ bụ onye nwere obi umeala, ma gụọ onweya n’onye ná-erughị eru isogbu Onyenweanyị. Ọ bụ náání nwa ogbenye onye na enweghị ùgwù ma ọ bụ ihe ọ bụla nke eji mara ya n’obodo. O nweghị ihe ọ bụla ọ ga-eweta ma ọ bụghị náání ọrịa na mmehie ya niile. Ma ọ chọpụtara n’ụbọchị ahụ na Jisọs adịghị enwe mmasị n’ebe ùgwù na otuto nke ụwa dị, kama na O jikeere inyere ndị niile ná-abịakute Ya aka, n’ihi na ọ matara na ọ bụrụ na ya emetụ nááni ọnụ uwe Ya aka, na ike zuru ókè ga-esi nime Onye a dị nsọ pụta wee mee ka arụ̀ dị ya ike. O chèghị na ọ dị mkpà isogbu Ya; ọ dịghị kwa mkpà ka O bikwasị aka Ya n’isi ya, “Ọ buru na emetum nánị uwe Ya aka agāzọputam,” bụ nááni ihe pụtara ìhè nke nyere ya agbamume iji bànye n’etiti ime ime nke igwè mmadụ ahụ n’ebe Onyenweanyị nọ.

Ọ bụ n’etiti “ime ime” ahụ ka a na-anata ngọzi niile nke Chineke. Ọ bụghị n’akụkụ igwè mmadụ ka a na-enweta mmetụta nke ịnọ nso nke iru Ya. Ọ dịghị onye ọ bụla nke ga-ewere otù aka jide ụwa nke pụrụ iweta ihe ụtọ nke ike ahụ nke ná-esi nime Onye ahụ jiri okwu ọnụ Ya kee ụwa pụta. Ọ bụrụ na onye ọ bụla chọrọ ịnata ngọzi site n’ebe Chineke nọ, onye ahụ na Jisọs aghaghị ịnọ nso nke ukwuu, nime okwukwe na ndabere nke obi na échìchè.

Nke ya bụ̀ imetụ aka nke okwukwe n’ihi na ọ sịrị “Ọ buru na emetum nání uwe-Ya aka, agāzọputam” (Mak 5:28). Ọ bụghị ụdị imetụ aka nke ndị ahụ ná-enweghị ihe ha bu n’uche. Ọ dịghị ka ndị ahụ ná-akwagharị Ya aka mgbe Ọ na-ejégharị. Nke ya bụ̀ nááni mmetụ aka nke dị mfé. Apụrụ ịhụ́ nwanyị a ka ọ na-eje ijè, ná-erulata onweya n’ihi ihe mgbu ya, ná-enuba kwa onweya n’etiti igwè mmadụ ahụ ndị ná-akwarịta onweha aka nááni ka ha nwee ike ịhụ́ Onye ahụ nke pụrụ ịlụ óké ọlụ ebube dị iche iche. Ọ dị ihe ọzọ o bu n’obi karịrị omume ahụ o mere dịka ọ na-abịarute nso. Eleghịanya o setịrị aka ya na mbụ, emesịa otù mkpịsị aka ma ọ bụ abụọ wee metụ ọnụ uwe Ya, eleghịanya o wee jide ọnụ uwe Ya aka, ná nsọpụrụ na ekpere nke ime obi maka inyeaka – wee mesịa nọdụ duu wepụ kwa aka ya.

O wee guzozie! Ndụ ọhụụ wee bata n’arụ ya! Mmekpá arụ ochie ahụ wee gbapụ. O wee nwee mmetụ nke nrubata nke arụ ike nime arụ ya ọzọ. Ọ chọghị ihe ọzọ ma ọ bụghị mmetụ aka nke okwukwe ka ewee lụzuo ọlụ ahụ. Emewo ya. O wee jégharịa dịka ọ ná-ejégharịbeghị nime ọtụtụ arọ gara aga.

Ma ihe ọzọ dị ọhụụ wee mee ná ndụ ya, n’ihi na Onyenweanyị kwuru okwu ngwa ngwa sị, “Ònye meturu uwem aka?” Ajụjụ ahụ siri ike n’ezie. Ndị ná-eso ụzọ Ya n’ezie apụghị inwe ntachịobi na nke a, n’ihi na ọtụtụ mmadụ so Jisọs ná-aga n’ụzọ ahụ dị warara, nke mere na ọ dịghị mfé na mmadụ agaghị emetụ Ya aka. Ma Jisọs lere nwanyị ahụ anya, O wee mata ngwa ngwa na anya ahụ ná-ahụ́zụ ihe niile, na obi ahụ nke mazuru ihe niile amatawo ugbu a n’ezie na Ọ karịrị mmadụ efù. O wee gwa Ya ihe niile!

Ọ̀zízá nke Jisọs nyere ya bụ okwu agbamume na nke nkasịobi, bụrụ kwa ihe ná-akụziri anyị ihe. Ma ọ dị ihe O nyere ya n’ebe ahụ karịrị ọgwụgwọ nke anụarụ. “La n’udo” apụtaghị ihe ọzọ ma ọ bụghị na Eze nke udo n’Onweya agbagharawo ya mmehie ya niile, nke pụtara na ugbu a ọ ga na-aga n’iru ijégharị nime ndụ ọhụụ, onye agwọrọ ọrịa ma gbanwe kwa ndụ ya site n’okwu Kraist Onye Galili. Emezuru ihe ndịa niile n’ihi okwukwe ya nime Kraist na ike Ya.

**Okwukwe, Bụ̀ Ihe Dị  Nnọọ Mkpà**

Ná Ndi Hibru 11:1 anyị gụrụ na “Ma okwukwe bu ndabere nke ihe anēle anya, buru kwa nnwaputa nke ihe anāhugh anya.” Ọ karịrị inwe mmetụ, karị kwa ịhụ́ ụzọ, karị kwa ihe échìchè anyị pụrụ ichepụta. Ọ bụ ihe doro anya, ná-eguzosi ike, ma bụrụ kwa ihe a na-ele anya ya guzosiri ike nke ná-eweta eziokwu ahụ nke ndụ anyị chọrọ. Okwukwe bụ̀ kwa ihe ahụ nke ná-ejikọta anyị na eziokwu nke mgbe ebighị ebi ahụ! Ọ dị mkpà, n’ihi na agwara anyị na, asị na okwukwe adighị ọ bụ ihe a na-apụghị ime, bụ́ ime ihe ga-atọ Chineke ezi utọ (Ndi Hibru 11:6). Onye ná-abịakute Chineke aghaghị, dịka Jeairọs na nwanyị ahụ nke hụjuworo anya, ikwere na Chineke dị na Ọ na-egosi kwa Onweya Onye ná-enyeghachi ndị ná-achọ Ya ụgwọọlụ. Okwukwe na-atọ Chineke ezi ụtọ!

Okwukwe na-abata nime obi anyị site n’ikwere na irubeisi n’Okwu Chineke ndị mezuru ọtụtụ ihe dị ukwuu nye Chineke n’ihi na ha nwere okwukwe. Ọ bụ ike na mkwagide nye ha n’oge óké mkpà ha na n’oge óké ọnwụnwa ha, n’oge ndị nke ha nwụrụ, ma ọ bụ n’oge mkpagbu. Ọ bụ kwa kpakpando nke ná-edu ha ruo ala nke ime mmụọ ahụ ekwere ha ná mkwa, wee mee ka ha hụ́ Obodo nke eluigwe ahụ gafee ihe niile nke ụwa nke a. Okwukwe bụ ihe dị ụkọ karịa ihe niile ọ bụla nime ụwa ma ọ bụ n’efu nye onye ọ bụla nke chọrọ inweta ya. Ndị ahụ niile nwetara ya na-enwe ike iso Chineke ná-ejé ijè, ná-añụrị ọñụ nime ngọzi Ya niile, ma ná-ele kwa anya mgbe Ọ ga-apụta ìhè dịka ndị nke Chineke ahụ bụ́ dike mere bụ́ ndị laworo ugbu a ịnara ụgwọọlụ ha.

**AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE**

1. Mgbe Jisọs mesịrị ka arụ nwoke ahụ mmụọ ọjọọ ji dị ike wee laghachi, Gịnị bụ̀ omume ndị ahụ n’ebe Ọ nọ?
2. Ụdị mmadụ dị añaa ka Jeairọs bụ n’obodo ya?
3. Gịnị bụ̀ omume ya n’iru Jisọs? Nke a ọ̀ dị mkpà?
4. Gịnị bụ̀ nzaghachi nke Jisọs mgbe ọ nụrụ arịrịọ nke Jeariọs?
5. Ònye jisiri ike n’ụzọ pụrụ ichè imetụ Jisọs aka mgbe Ọ nọ n’ijè?
6. Nwanyị ahụ o nwetara ihe ahụ nke ọ chọrọ? N’ụzọ dị añaa ka nke a ji dị mfé?
7. Gịnị bụ̀ ndụmọdụ nke Jisọs nyere onyeisi nke ụlọnzukọ ahụ mgbe ọ natasịrị ozi na nwa ahụ anwụwo?
8. Gịnị bụ̀ omume ndị ahụ n’ebe Jisọs nọ, n’ụlọ onyeisi ahụ? Ọ̀ bụ̀ kwa gịnị kpatara ụdị omume a?
9. Òlee ụzọ esi gụọ okwukwe nke nna nwa agbọghọ ntà ahụ n’eziomume?
10. Ànyị ga-atụ̀ egwù ịtụkwasị Onyenweanyị obi n’ụbọchị taa? Ọ̀ bụ na Ọ pụghị imere anyị otù ihe ahụ?